E enwere otuto ebe I ga-acho I rutu aka n'ekpere gi. Ebe mbu bu otito (Lee Abuoma 145:3) Nke a bu oge iji agwa Chineke otu ima mma ya di. Ebe nke ozo bu inye ekele (Lee Ndi Filipai 4:6) Were ogea nye chineke ekele maka Ngozi ya na iza ekpere. Nkwuputa bu alaka ekpere gi mgbe ikwuputara chineke mmehie gi ma riokwa ya mgbahara njo (Lee I Jon 1:9). Udi akuku ekpere nke ikpetemazu bu aririo. (Lee Matiu 21:22) Nke a bu oge I ga-ario chineke maka enyemaka na Ngozi ya. Ihe imaaatu ga-abu ikpere mmadu ekpere ka o di mma ma o bu ka Chineke nyere gi aka na ihe na-akpa gi.

Ihe kacha mkpa banyere ekpere bu na I nwere ike ikpe ekpere oge o bula na kwa ebe o bula. Na I Ndi Tesalonaika 5:16-18, o siri n'ekpenu ekpere n'ewepughi aka. Nke a putara na o buru na ihe eme gi mgbe chi ka di, I gaghi echere ruo oge I ga-eri nri ozo ma o bu oge I ga-ehi ura. I nwere ike ma kwesi kwa ikpe ekpere gbasara ya. Ekpere bu uzo di ukwu I ga-eji dosa adim na mma gi na chineke gi mgbe I na-adi ndu

## Ihe Omume

*1. Were nkwerikota ma o bu akwukwo nso ndi ozo na-enye aka iji chota akuku akwukwo nso nwere nkwa Chineke kwere gbasara iza ekpere. Mee ihe ngusi iji chetara onwe gin a Chineke na-aza ekpere.

*2. Bido akwukwo ekpere. Deputa isi ihe iji kpe ekpere nakwa ubochi ikpere ha. Emesia dekota osisa ekpere Chineke nyere. Oge I natara ya.

*3. Chota ufodu ndi nke Kraist ihe ha na amasi gi kwetara ikpere gi ekpere. Juo ha ma I nwere ike inweta ha ka ha kpere gi ekpere oge I na-acho ihe di mkpa n'aka Chineke.

*4. Gba ndi nke Kraist ihe ha n'amasi gi ajuju onu maka osisa ekpere I hurula na ndu ha.

# Igbasa Okwukwe Gi

Na akwukwo Matiu 28:18-20, Jisos nyere ndi na-eso uzo ya ihe a na-akpo oru mgbasa ozi. O gwara ha, “Ya mere, ganu mee mba niile ka ha buru ndi n’eso uzom, n’eme ha baptism ba n’aha nke Nna, na nke Okpara, na nke Muo Nso.” (NIV) Odi otuto uzo I nwere ike iji gwa ndi ozo maka okwukwe gi.

Otuto mgbe, oge ndi mmadu na-ele gi mgbe I na-eme ihe di ka onye nke Kraist, ha ga ebido juwa gi otuto ajuju. Di njikere inye ha aziza n’ihunanya. I nwere ike igwa ha akuko gbasara Jisos na ihe ndi omerela na ndu gi. Ihe na-atu n’anya bu dika I na-ebi ndu onye nke Kraist, ka I na-enwe otuto akuko I ga-ako gbasara ihe Chineke merela na ndu gi. Di ka ina-eto ma na-amuta ihe, I nwere ike ikuzi akwukwo nso, duzie omumu akwukwo nso, ma o bu gin a mmadu amuko akwukwo nso ihu na ihu. O buru na I weputa ohere igbasa okwukwe gi, e kwenyerem na Chineke ga-eweputara gi otuto ohere ime nke a.

Uzo din ma iji muwa ya ugbu a bu ikpo ndi enyi gi ka ha bia ihe omume nke nzuko. O di nma ma o buru na ha asi mba, ihe di mkpa bu ikpoku ndi mmadu isonye gi n’omumu ihe gbasara Chineke. O nwere ike itu gi n’anya onye ga-asi eeh!

## Ihe Omume

*1. Kpokuo mmadu ka o bia nonyere gin a nzuko ma o bun a ihe omume nke nzuko n’izu uka nkea.

*2. Juo otuto ndi nke Kraist maka onye ya na ha na-atulekota okwukwe ha.

*3. Juo otuto ndi nke Kraist ihe ha ga-agwa onye  na-ekweghi ekwe na Chineke/Kraist merela ha.

# Ofufe

Otu ebe kacha ato m uto n'akwukwo nso bu I Timoti 6:17-19. Pol gwara Timoti ka ogwa ndi nke Kraist "ka ha na-eme ezi ihe, ka ha buru ogaranya n'olu oma n'ile, ka ha buru ndi kwadebeworo ime ka ndi kwere ka ndi ozo so ha nweko ihe." (NIV)

E nwere otuto ihe imaatu n'agba ohuru ebe enyere iwu inyere ndi ozo aka ma o bu ihe imaatu ebe ndi nke Kraist na enyere ndi ozo aka. Eleghi anya ihe atu kachanu bu Kraist iss ndi na-eso uzo ya ukwu (Lee Jon 13:1-17). Na agbanyeghi otu imerela okenye, o nwere otuto uzo I ga-esi fee Chineke site n'inyere ndi ozo aka.

Out uzo I ga-esi fee Chineke bu inye aka n'oru ndi ahu g-eme ka nzuko na-aga otu o kwesiri. Eleghi anya inwere ike nye aka dozie efere maka nri anyasi nke onyenweanyi, kwado maka oriria ma o bun ye aka dozie ha ma nzuko gbasa. Site n'afo ole idi, inwere ike inye aka n'ofufe, nye aka n'omumu akwukwo nso nke umuntakiri, nye aka kee oriri nso ma o bu nakota akwukwo na-egosi na mmadu biara nzuko.

Akuku ofufe ozo bu inyere ndi no na mkpa aka. Udi ofufe nke a bu nke gin a ndi nzuko gin were ike ime, ma o bu ndi ezi na ulo gi, nke gi onwe gi ma o bu otu ndi ozo di ka ndi sikout. I nwere ike nye aka zuo ndi mmadu nri, ruzie ulo ndi merela ochie, leta ulo ebe a na-amu nwa ma o bu ulo ndi na-enweghi nne na nna.

Uzo kacha nma iji fee ofufe bu mmadu I lee anya gburugburu ma hu ka I ga-esi nyere ndi ozo aka. ufodu mgbe o na-adi mfe di ka ee I na-enyere nne na nna gi aka ruo oru ndi di n'ulo (nke mmadu na-asi gi ruo!) Ihe omume ndi a na-esota nwere ike inyere gi aka na mbido.

## Ihe Omume

*1. Guo ufodu akuku akwukwo nso a, ma deputa ufodu udi mmadu ndi a gwara anyi ka anyi na-enyere aka. Matiu 25:41-45, I Timoti 5:3-4, Jemes 1:27, I Timoti 5:1-2, Matiu 19:21.

*2. Gwa onye okenye gin a ya na-amuko ihe ka onyere gi aka deputa uzo di iche iche onye gi na ya ha nwere ike iji kpere Chineke na nzuko gi.

*3. Choputa webusit ndi sikout nwanyi ma o bu nke ndi nwoke ka I nwe ike choputa uzo ndi ozo I nwere ike nyere ndi ozo aka. deputa ndi nke masiri gi.

*4. Choputa akuku ebe a na-emetubeghi aka. kedu ka I ga-esi nyere ndi ahu aka? Nwe ezi ako na uche!

# Ilekota Onwe Gi Anya

Guo I Ndi Korint 3:16-17. O buru na aru gi bu ulo nso, I ga-acho ilekota ya nke oma. Nke a putara igbanari ihe obula ga emeru aru. Iji ojoo eme ihe ma o bu mmanya, siga na iri nri na-adighi mma nwere ike imebi ndu anyi ruo otuto afo. O bu ezie na e nwere ndi o buchaghi akwukwo nso nke aru kpomkwem. Kedu ihe di n'ihe ndia, o bu ihe ezi uche din a ya na Chineke nwere ike iji anyi mee ihe n'uzo di ire ma o buru na anyi di ike.

## Ihe Omume

*1. Deputa uzo nile esi edobe aru gi. Tinye akara kpapkando na ndi ikwesiri ilekwasi anya nke oma.

*2. Deputa uzo ilebara aru gi anya nke oma ga-esi mee ka iburu onye nke Kriast di ike.

# Nmekorita Gi na ndi Ozo

Enwere otuto iwu n'ime Agba Ohu banyere uzo anyi kwesiri emeso ndi ozo (Lee I Ndi Korint 13). Jisos kwuru na akwukwo Matiu 22:37-40 na iwu nke abuo kachasi nkpa bu ihu onye agbata obi gi n'anya dika onwe gi.

Onye n'abughi onye nke Kriast na ele anyi anya ka ohu otu anyi si emeso ndi ozo. Mgbe ha na-ahu ka anyi si emeso ndi obula, obuna "ndi iro" anyi (Lee Luk 6:27-36) site n'ihunanya na obioma, ha ga-acho imatakwu banyere Chineke. N'uzo di iche iche, otu I si emeso ndi ozo bu uzo isi kooro gi okwukwe gi.

## Ihe Omume

*1. Jiri nkwekorita iji choputa ihe edere n'akwukwo nso banyere otu anyi kwesiri isi emeso ndi nozo.

*2. Deputa ihe ilere anya iji gosiputa ihunanya nye ndi ozo. Lezienu anya na ichota uzo iji egosiputa ihunanya nye mmadu ka ndi ozo we leba anya na ha adighi enwe "ihunanya".

# Too Chineke

Guo Ndi Rom 15:5-6. Onye nke Kriast kwesiri igbali isopuru Chineke n'ihe o bula o na-eme. Akwukwo dishionari siri na itoo Chineke putara nbulie elu na otuto ma o bu otuto nke adorasionu. Inwere inye Chineke otuto site n'idebe ihe onyere n'iwu, ife ya ofufe, ikekorita okwukwe gi, ijere ndi ozo ozi, inye Chineke otuto n'ihi ihe omere na otutu uzo ndi ozo.

Ikekwe I nula okwu a "Gini ka Jisos ga-eme?". Guo Matiu 5:16 na Jon 17:1-5 ka I hu ihe Jisos kwuru gbasara ina-eto Chineke. Ito Chineke bu akuku buru ibu nke ndu Ndi Kriast. Ihe ndi a di n'okpuru nwere ike inyere gi aka imalite.

## Ihe Omume

*1. Choputa abu na nzuko nke roputara ito Chineke. Gini ka ha n'ekwu?

*2. Mee usoro iga esi eto Chineke.

# Gini Na-eme Mgbe Onye Nke Kriast Mehiere?

Na nmalite nke omumu a, anyi mutara na Adam na Iv mere ka mmehie na onwu bia n'uwa mgbe ha nupuru Chineke isi. Chineke choro aja zuru oke iji kpuchie mmehie anyi. Jisos Kriast nyere ndu ya n'obe ka oburu aja zuru oke. Mgbe e mere gi baptism, mmehie nile ikwadoro ruo mgbe a gbahara gi. Guo Ndi Kolosi 2:13-14. O di ka a ga-asi na mmehie ndi ahu emetubeghi. Mgbe I ghosiri Onye Nke Kriast, Setan ka ga anwa inwa gi onwunwa. I ga-eme mmehie, ma eleghi anya o bu naani ole , n'oge ndu gi. O dighi mkpa ka e mee gi baptism ozo o bula I mere mmehie. Obara Jisos nogidere na-ekpuchi mmehie gi, n'agbanyeghi otu jogburu onwe gi na-eche na ha bu.

Guo I Jon 1:9. O buru na odighi onye ma gin a Chineke maara mmehie gi, mgbe ahu I ghaghi ikpe ekpere maka mgbaghara Chineke. O buru na I mehie megide onye ozo guo akwukwo Matiu 18:15 kwuru na ikwesiri ime ya. Ma eleghi anya I ghara onye ozo uha ma o bu gwa ha ihe ojoo di iche iche. I kwesiiri ikpe ekpere maka mgbaghara Chineke. Akuku Akwukwo Nso a na-agwa anyi na anyi aghaghi igbali ime ihe ziri ezi nye onye ahu. Mgbe ufodu ihe niile I nwere ike ime bu irio mgbahara. Oge gara aga, maka akuko Zacchaeus, inwere ike ime udi ufodu nweghachi maka mmehie ha. Okwu Jemes 5:16 banyere mmehie oha mmadu. Mmehie oha na eze ga-abu ihe doro anya nke na o di ka onye o bula

ma ara banyere ya. Ihe atu zuru oke nke mmehie oha mmadu ga-abu ma o buru na mmadu maka I da iwu. O buna mgbe ahu, I kwesirir ikpegara chineke ekpere maka mgbaghara. Imirikitimi ogbako nwere oge n'oge ha na eje ozi mgbe I nwere ike igwa ogbako ka ha na ekpe ekpere maka gi.

### Ihe omume

*1. Soro ihe omumu nke ndi okenye gin a-amuta ihe nke nwere ike itinye n'ime ato ato.

*2. Jiri nkwekorita gi choputa amaokwu banyere mmehie n'ime Agba Ohu. Gini ka I mutara site ndia akwukwo nso?

# Eliigwe

Ihe mgbaru oso nke onye o bula nke kristain bu ka ya na chineke biri nelu-igwe ebighebi. Guo akuko akwukwo nso ndi ka ighota ihe eluigwe yiri. Ndi Hibru 11:16, Jon 14:2, Nkpughe 21:21 na Aisaia 6.

# Okwu Ikpeazu

Echerem na omumu a zara otutu ajuju gi. O ga-abu ezigbo echiche iza ajuju ndia na mmalite nke omumu a n'oge ikpeazu ma kwurita aziza ya na onye toro eto gi. Oge a tinye otu ajuju ozo. I kwenyere na I di njikere baptism ma ghoo onye kraist? Gini ma o bu gini mere?.

# Ihe puru iche

Mgbe I na-eme baptism (ma nke ahu bu ugbu a ma o bu oge n'odinihu) mee akwukwo banyere oge gi puru iche. Otutu madu ka akporo ubochi emere ha baptism ma buru ha ubochi omumu ime mmuo. I nwere ike tinye ya na photo baptism na ihe odede, emails ma o bu card zegara ndi mmadu. (I nwere ike inye aka zobe ihe omume, ka onyere gi aka icheta ya mgbe o bula ina amu ya). Enwere ihe abuo di oke mkpa m chere na I ga-agbakwunye. Otu bu iju onye I na-amuru ihe ka I dee ihe o na-echeta nke omumu ihe gi onu. Nke ozo bu maka I dee ihe I na-eche na otu dara n'ubochi ahu. Akwukwo mpiakota a ga-adiri gi mfe karia afo ole na ole.
Ka Chineke Gozie Gi

# Isi nke Asaa
# Ihe Ntuzi Aka Onye Ndu

## Nkowa

N'ihi na m na o dighi ihe di ka akpali ma na –emenye ujo ka echiche nke na-amu na-eto onye gosiputara nmasi na-agho onye oyiri kraist. Ma I na-amu na a na-amuru gi Akwukwo Nso na klasi ma o bu gi onwe gin a nwa, n'echiche nke na-eche, maka ozo mkpuru obi puru isi ike (Ndi Hibru 6:10).

Mgbe ufodu anyi ewere ya n'obu ibu di aru mgbe anyi na nwata n'eto eto na amu ihe. Anyi kwenye onwe anyi, na o bu anyi ka o diri ikpebi ma o buru na nwa di otu a na-eto eto n'ime mmuo inwe udi mkpebi a di oke mkpa (Ndi Filipai 2:12 – 13).

N'ihe niile, mkpebi banyere nwa ntan a-eto eto ime baptism ma obu emeghi bu ihe diri nwa nta ahu. O bu naani ya na Chineke mazuru ihe di ya na obi. Ihe nlere anya anyi kwesiri ibu otu anyi ga-esi weputara ya akuku akwukwo nso ndi ga-enyere ya aka inwe mkpebi nke amamihe (Olu nd Ozi 18:18-28).

E nwerem ihe kariri iri afo ato ahumahu ozizi na iru oru mu na umuaka site na nwa nta rue n'ogo nke afo iri na uma. Otu ihe m mutara n'oge m nao na uzo ije bun a mgbe nwa nta n'eche na ha no na ncheka na ihunanya, ha na-aputa ihe ma kwuo eziokwu. Nkea bu eziokwu karisia ma o buru na I na-aju ha ajuju na nkpiriknpi ma nyegasia ha onina nti gin a aziza ha. Isi ajuju na nmalite nke omumu a ga-enyere gi aka ighota ihe ndi mere na umuaka gin a ha n'amu ihe ji no n'eche ime baptism. Nke a ga-enyere gi aka ikpebi ma o bu iji ihe niile ma o bu ihe ole na ole nke omumu ihea na-akuziri ha ihe. Enwerem Olileanya site na njedebe nke omumu ihe a, o gabu ihe doro anya nye gi onwe gi na nwa nta ahu ma o di njikere I bu onye nke Kraist ma o bun a odighi na njikere.

O buru na ikwere na nwa nta ahu adighi njikere, ma obu ina-amaghi banyere njikere ya, biko kpachara anya gi otu I ga-esi eme onodu di otua. Amaram otutu umuaka ndi di ngwa ngwa ma di ike na mmuo odida mba ime baptism. Otutu ha tufuru nmasi ibu onye nke Kraist ma emeghi ihe obula gbasara ya. Akwukwo a bu nke emeputara n'ozuzu oke nke ga-enye gi ohere iji duzie umuaka ndi na-adighi na njikere inwe nkpebi a mara nma. O na-enye gi ohere igosiputa inu oku n'obi gi n'ime uche Chineke, site n'inye ohere gi iji muo ya. O ga-enye gi ohere tee aka iji kuzie ihe nye ya ma nye ya ohere na ngwa nke o ga-eji too eto n'ime mmuo. N'agbanyeghi otu omumu akabeghi aka ya mbu ihe mere choro baptism bu, o na-egozi mmasi n'ihe ndi Chineke na ime mmuo. Nke a bu agwa na I choro igba ume ka ha na-echekwa (Olu ndi Ozi 17:16 – 34).

Tupu I malite ihe omimi omumu ihe nye nwanta, enwerem aro ole na ole ga-enyere gi aka ikwado onwe gi nke oma..

1. Ekpere. Kpee ekpere maka amamihe gin a nwa-akwukwo gi. Kpee Ekpere maka nduzi nke Chineke. Kpee Ekpere maka nwa akwukwo gin a otito nke ime mmuo ya. Kpee Ekpere mgbe niile na esepughi aka!

2. Dere nwa akwukwo ihe odide. Mee ka o mata udi nwuli elu inwere n'ihi na o huru Chineke n'anya. Gwa ya obi uto inwere site na imuko akwukwo nso gi na ya. Mee ka o mata na I na-ekpere ya ekpere.

3. Guo akwukwo nke umu akwukwo.

4. Kpokota o buna akwukwo ndi di nkpa di n'ezi ma o bu ihe nduzi ndi di gi nkpa n'ihe omume.

5. Mee ka ndi mbu nzuko ebe na oge. Ihe mbu nzuko ga-ebe di ka ngwa ngwa o kwere mee mgbe umuaka gosiputara mmasi n'omumu ihe nke gin a ha. Zukotanu ebe umuakwukwo ga-ano nke oma, ma mee ka unu gbanari ino ebe ihe nmehara anya di ma o bu ihe ga-adopu uche ha.

6. Nwere gi mbu omumu na –amuru. Jiri oghe biri ajuju ndi di ka a ga-amalite. Na a na-ahu n'anya, na-abughi `egwu, I na-agbali inyere ndi na-amuru na-ekpughe unu ihe din a ya n'obi na n'uche. I na-adighi akpu ya ima ya ikpe, ma na-amata yam ma I puru ime ka a mara ihe mkpebi banyere nke omumu ihea iji nay a. O di mkpa icheta otu uru omumu ihe a bun a gin a ihe mgbaru oso bu ike na-emeghe na-aga n'ihu na mkparita uka na-amuru banyere ime mmuo.

7. Jiri ozi nke onwe, nke achikoputaworo na-amuru n'oge mbu omumu iji choputa nke omumu ihe a iji na otu mbe izute. Nke a bu oge ozo ikpe ekpere maka amamihe. Nke bu mkpebi gi di ka onye ndu na-ekwesighi mmepeatule n'isi okwu na na-amuru ihe. Cheta na odighi mkpebi I na-eme ugbu a ga adigide. I nwere ike igbanwe ihe a ma o bu ugboro nke nzuko mgbe o bula mgba a na-amu ihe. Na-amuru ihe omume na-amu ga-enyere gi aka ma na I choro ka oso ihe elu ma o bu jiri ha ala. O buru na I na-achoro na mbara ihe a, ka a na-amuru aka bulie omume ndi o na-akasi enwe nmasi nay a. O buru na o na-enwe obi uto, omumu ihe a ga-abu ihe ga aga nke oma.

## Nkega nke Omumu ihe a

Ihe nkega abuo nke omumu ihe a bu:

1. Nkega nke Mbara – Nkega nke a bu nke emere maka umuakwukwo ndi na-adigi etozu oke ngwa ngwa maka odi mkpa nke oru ime mmuo. Nkega nke mbara na agbanyekwu ihe nke ga-enyere umu akwukwo aka iga n'iru na ito eto n'omumu ihe a na abughi imegahri ya obi ibu onye nke kraist. Nkega nke a ga ezu oke n'izu uka ole na ole ma o bu otutu onwa ma o buru na o di mkpa. Ogologo nke omumu ihe ga abu ihe echeputara na nke site na mbara ihe aga-eme nke o nwere (Akara oma bu *) nke I nyere umuakwukwo na nkebi nke o bula. Ka umu akwukwo nye aka iweputa ihe a ga-eme nke di iche nke ka nke, nke ga-ekwe omume.

2. Nkega nke  Owu – Nkega nke a bu nke emere mak umuakwukwo ndi nyere ihe niile ha nwere idi na njikere imezu mkpebi nke ime mmuo. Nkega nke a ga-enyere gi oghere imu ma o bu icheta ihe niile di nkpa nke I bu nwa Chineke, na kwa ibi ndu dika onye kwere ekwe ohuu. Ndabere n'umuakwukwo, o nwere ike izuoke na elekere ole na ole, ubochi ole na ole, ma o bu izu ole na ole. O buru na ichoro otu  ma o bu mbara ihe niile aga-eme (Akara *) nwere ike izu oke n'aka umuakwukwo dika otito nke ime mmuo mgbe omechara baptizm.

## Ihe ndi di Mkpa nke Umuakwukwo Choro iji Mezuo ihe niile nke Omume a.

1. Akwukwo Nso – Umuakwuwo nwere new nkasi obu site na Bible Nso nke aka ha. I nwere ike choo I nwe NIRV iji hu akwukwo nso nke edere n'asusu bekee nke di mfe. Nke American Standard Version n'enye kwa aka.

2. Bible Nso Ndeputa Okwu – Bible Nso gin were ike inwe ihe ndeputa okwu ma o bu I nwere ike icho iji otu n'ime ndi di mbara.

3. Bible Nso Nchoputa Okwu – Bible Nso nchoputa okw nke nwata nwere ike buru nke kachasi mfe na nghota.

4. Jee Ije gin a Y'shua site n'afo nke ndi Jew nke sitere n'aka Janie-sue Wertheim na Kathy Shapiro na Emenme: Akwukwo nke Ezumuike ndi Jew sitere na-aka Judith Gross

5. Ihe okwu gbasara Chineke sitere na-aka Lee Strobel – Akwukkwo a nwere nguputa nke nwata, nwa-akwukwo na okenye. Horo nguputa nke kwesiri ogo nke otito nke umuakwukwo ya na onye n'amu ya.

6. Inye Aka sitere n’aka Ben Carson

7. Encyclopedia ma o bu igwe nyocha okwu iji choo akuko mgbe ochie.

8. Akwukwo ma o bu ihe ndeputa ndi Rom gbasara mkpabu ndi nke Kraist

9. Aha na zissa ozi nke ndi okenye, ndi ojee ozi na ndi n’gbasa ozioma n’zuko unu.

10. Ihe emere na Bible Nso ma o bu ihe atumatu ozo maka I na-agu Bible Nso anyi. Otutu ihe ndi a nwere ike di na omumu Bible Nso anyi.

11. Abu nke si n’ogbako gi.

12. Akwukwo ma o bu magazine, mkpisi, na nribama.

## Akuku Akwukwo Nso ozo iji n’amu isiokwu ndi di n’akwukwo a

Akwukwo ihe omume umuakwukwo a nwere naani ofe akwukwo nso nye isi okwu ndi . e mere nke a iji gbochie umunta I bu onye ike gwuru maka ogo ihe omumu nke akwukwo a. di ka I na amu na ina-amuru, I puru ihu na onwere ajuju ndi ozo na isiokwu. I nwekwara ike inye ya ihe akuku Akwukwo Nso ebe ikwenyer na o ga-agu. Ndeputa n’okpuru ebe ndi a bu Bible Nso I ga-eji na-amu isi okwu ndi a di omimi. Onye ndeputa gi nwere ike ideputara akuku akwukwo ndi ozo I ga amu.

## Nmehie

| | |
|---|---|
| I Ndi Eze 8:46 | Ndi Rom 7:14 |
| Ilu 14:9 | Ndi GalatiaNdi Galetia 6:8 |
| Ilu 20:9 | I Jon 3:4 |
| Jeremaia 31:30 | Mak 9:42-48 |
| Jon 8:7 | Ndi Hibru 12:1 |
| Jon 8:34 | Jemes 1:15 |
| Ndi Rom 5:12 | Ndi Rom 8:5-8 |
| I Pita 2:11 | I Jon 1:8 |

## Amuma Ndi Emezuru Site na Kraist

Jenesis 3:15 – Luk 1:34-35
Jenesis 4:25 – Luk 3:23-38
Jenesis 22:8 – Jon 1:29
Opupu 12:46 – Jon 19:32-33
Deut. 18:15 – Matiu 21:11
Deut. 32:43 – Luk 2:23-32
Rut 4:12-17 – Luk 3:23-32
Abuoma 2:1 – Olu ndi Ozi 4:25-28
Abuoma 2:2 – Matiu 26:3-4
Abuoma 2:6 – Jon 12:12-13
Abuoma 2:7 – Olu ndi Ozi 13:30-33
Abuoma 16:8-10 – Matiu 28:6
Abuoma 18:49 – Ndi Efesos 3:4-6
Abuoma 22:9 – Luk 2:40
Abuoma 27:12 – Matiu 26:59-61
Abuoma 40:6-8 – Ndi Hibru 10:10-13
Abuoma 55:12-14 – Luk 22:47-48

## Ichu Ajaa

Jenesis 4:1-7
Jenesis 8:20-22
Jenesis 22:1-19
Opupu 20:22-25
Opupu 29:35-46
Opupu 30:1-10
Lev. 1:1-9:24
Lev. 22:17-31
Lev. 23:4-38

## Jisos dika ajaa di nma

Ndi Efesos. 5:2
Ndi Hibru 9:1-10:21
Ndi Hibru 7:23-28
I Jon 2:1-2
I Jon 4:10

## Onunu

Ndi Rom 10:14-17
Matiu 11:15
Matiu 13:14-23
Jon 8:47
Jemes 1:22-25

## Okwukwe

Jon 12:44-45
Mak 1:14
Luk 8:12-13
Jon 3:16-18
Jon 4:42
Jon 6:28-51
Jon 10:25-30
Jon 14:9-11

## Ncheghari

Luk 13:3
Luk 5:31-32
Luk 24:45-47
Luk 15:7, 10
Olu ndi Ozi 2:38
Olu ndi Ozi 3:19
Olu ndi Ozi 17:30
Olu ndi Ozi 20:21
Olu ndi Ozi 26:20
II Ndi Korint 7:10
II Pita 3:9

## Nkwuputa

Ndi Hibru 13:15
II Timoti 2:19

## Baptizm

Olu ndi Ozi 22:16
Olu ndi Ozi 16:25-34
Olu ndi Ozi 2:38
Matiu 28:19-20
Mak 16:15-16
I Pita 3:21
Ndi Galetia 3:26
Ndi Kolosi 2:12
Olu ndi Ozi 2:41
Olu ndi Ozi 8:12-13
Olu ndi Ozi 8:36-38
Olu ndi Ozi 9:18
Olu ndi Ozi 10:48
Olu ndi Ozi 16:15
Olu ndi Ozi 18:8
Olu ndi Ozi 19:5
Olu ndi Ozi 22:16

## Muo Nso

Jon 3:5
Ndi Rom 8:5-17
I Ndi Korint 2:10-14
I Ndi Korint 6:19
I Ndi Korint 12:13
II Ndi Korint 1:22
II Ndi Korint 5:5
I Jon 3:24
I Jon 4:13
Jud 20
Olu ndi Ozi 5:32
Jon 14:15-27
Jon 16:5-15

## Ngbahara Nmehie

Olu ndi Ozi 5:31
Olu ndi Ozi 10:43
Olu ndi Ozi 13:38
Olu ndi Ozi 26:16-18
Ndi Efesos. 1:7
Ndi Kolosi 1:14

## Ikpo Isi Ala

Abuoma 100:2
Jon 4:24

## Nri Anyasi nke Onyenwenyi

Matiu 26:26-30
Mak 14:22-26
Olu ndi Ozi 20:7
Olu ndi Ozi 2:42

## Onyinye

II Ndi Korint 8:7
Olu ndi Ozi 2:45
II Ndi Korint 8:3
II Ndi Korint 9:6-8
Ndi Hibru 13:16
Ndi Rom 12:13
I Jon 3:17

## Omumu Akwukwo Nso

II Ndi Efesos 3:14
Ndi Filipai 4:8-9
Ilu 1:1-7
Jon 6:45
Abuoma 119: 15, 27, 48,78,97,99,148
Abuoma 143:5
Abuoma 1:2
Abuoma 104:34
Ndi Kolosi 1:10
I Ndi Efesos 4:7-8

## Ekpere

Ilu 15:8, 29
Matiu 5:44
Matiu 6:5-9
Luk 6:28
Ndi Rom 8:26
Ndi Efesos. 6:18
I Ndi Tesalonaika. 5:17
Olu ndi Ozi 1:14
Jemes 5:13, 16
Olu ndi Ozi 2:42
Ndi Filipai 4:6
Ndi Kolosi 4:2

## Nkerita Okwukwe

Ndi Rom 10:14-15
I Pita 2:12

## Ofufe

Ndi Efesos. 4:12
I Pita 4:10
I Ndi Korint 16:15
Jemes 1:27
II Ndi Korint 9:6-8
Ndi Galetia 6:9-10
Ndi Efesos. 2:10
Ndi Kolosi 1:10
Ndi Hibru 10:24
Ndi Hibru 13:16
I Pita 2:12
Ndi Rom 12:13
Jemes 2:14-24
I Jon 3:17

## Ahu Ike

Ndi Rom 12:1
Ndi Efesos. 5:18
Ilu 23:21

## Nmekorita Gin a Ndi Ozo

Luk 6:35
Luk 10:27
Ndi Rom 12:10-21
Ndi Rom 13:9-10
I Ndi Korint 16:14
Ndi Galetia 5:14-22
Ndi Efesos. 4:1-3
I Ndi Tesalonaika 4:9-12
I Pita 4:8-11
II Pita 1:5-9
I Jon 3:11-23

## Ito Chineke

Abuoma 96
Abuoma 34
Ndi Rom 15:6

## Eluigwe

Matiu 26:64
Olu ndi Ozi 7:55
Ndi Filipai 3:20-21
I Ndi Tesalonaika 4:16-18

# Ajuju a na-ajukari

1. ***Onye mu nay a na-amuko ihe bu onye na etolite etolite, onye na-enweghi mmasi n'ihe ogugu ma o bu odide. Gini ka m ga-eme?*** I choro ka onwe mmasi na ihe omumu ma na-atukwa anya na o ga-esonye. New mmesa ahu na ezi ako na uche na ihe omume ndi ahu. Kama I cho aziza e dere ede, gin a ya new mkparita uka na azia ajuju o nyere. Otutu n'ime ndi a tuputara nwekwara nke umuakwukwo ndi nke ntakiri. I nwere ike icho ihoro ndi nke ahu. Nwe mmesa ahu I guputara ya otutu ederede ma o bu isiokwu nke oma karia inye ya ndi ahu ka o guo. Juo nwa akwukwo ahu ajuju onu na ihe omume ndi ahu ma dee oziza ndi onyere. Nwe oghere ihapu ihe omume o bula ga-acho oke ogugu ma o bu odide.

2. ***Any amuchala ihe omumu, E kwenyere m nke oma na onye na-etolite etolite mu nay a muru ihe ahu din a njikere I bu onye oyiri Kraist. N'otu ntabi anya o na-egosi inwe obi abuo na ujo. Gini kam ga-eme?*** Nke a bu ihe a na-ahukari oge dum. Juo ya otutu ajuju ka inwe ike imata ihe bu isi ujo ya. Otutu mgbe obi abuo ma o bu ujo mbu o ga-egosi agaghi abu ihe o mara. Were nwayo zaa ajuju ya ma gbalia mee ka ujo ya kwusi. Nke a bu mkpebi nke ndu ebighiebi o buru na oji ya kporo ihe, o ga-abu ihe ziri ezi na o gaghi enwe obi ruru ala na ngwucha. Mana nkea aputaghi na o dighi nkwadebe inwe ezi mkpebi.

3. ***Otu nwata nwoke no na klasi uloakwukwo ihe omumu akwukwo nso m choro ka mu nay a na-amuko ihe. Mu etinye nnoko nke mbu, mana ugbu a odila ka o nweghizikwa mmasi. Gini ka m ga-eme?*** A gam ahu ma o nwere ike izute gin a-ebe ozo o bula maka ihe nracha ma o bu erimeri. N'uzo a na-eyighi egwu, juo ajuju ole na ole ka inwe ike mara ma o ga-agwa gi ihe mere ojiri nwe mmasi n'ime baptism. I nwere ike ichoputa na onwere ajuju di mfe na ihe ohuru ma o bu nke o guru n'oge na-etebeghi anya. O nwere ike o dibeghi nkwadebe maka ihe omumu ma o bu inyefecha onwe ya. Gawa n'ihu gin a ya n'inwe mkparitauka. Nke a ga-enye gi ohere I din a eru ya nso iji mara ma o nwela mkpebi ohuru n'isonye gi n'ihe omumu. Kpere ya ekpere iji nye gi ma o bu onye ozo ohere imuko ihe n'odinihu.

4. ***E kwere m na nwa m nwanyi eruola ogo inye nguko. O na-eri m nri n'obi n'ihu na ogosibeghi mmasi ya n'ibu onye nke kraist. A gam ario ya ka osoro m n'ihe omumu a?*** Nani na nwa gi nwanyi agwabeghi gin a o choro igho onye nke kraist, o putaghi na o chebeghi ya n'obi. Eleghi anya ya na ndu nke kraist ndi ozo na-enwe nnoko, akwukwo nso nakwa ihe odide ozo gbasara ndi nke kraist. Na agwaghi yam aka ihe omumu a, a ga m ebido juwa ufodu ajuju ndi ahu na-enweghi njedebe na mbido ihe omumu a. Gba mbo juo ajuju n'oge e nwere mkparitauka, mgbe obi ruru ya ala na mgbe o gwara gi maka ihe ndi ozo. O nwere ike iwe otutu mkparitauka ka inwe ike ighota ebe o chere na oruru n'ime mmuo. O buru na o gosi mmasi, I nwere ike icho ka gi na ya nwe omumu ihe. Ufodu mgbe o na-adi ire ma o buru nay a na enyi nke ezi na ulo ma o bu onye nkuzi Bible Nso klasi ya new omumu ihe. Ma cheta na I manye nwa gi nwanyi ka o mucha ihe ma o bu sonye na baptism a dighi enyechara ya aka. Inwe mkpebi I bu onye nke kraist bu ihe n'esi n'obi ya. Kpe ekpere ka o gosi mmasi ka gin a ya new omumu ihe ma o bukwa ya na onye nke kraist ozo n'odiniihu.

5. ***Ebe ka m nwere ike inweta ihe enyemaka I kwuru okwu yam aka ihe omumu a?*** Ebe a na-ere akwukwo nke ndi nzuko unu nwere ike inwe ha n'uju. N'intanet, a hula m Amazon.com, Barnes na Noble na ndi nkesa akwukwo ndi otu kraist di ka ndi na-ebute akwukwo di iche iche.

## Uzo a ga-esi gba onye otu Kraist ohuru ume

Iwu mmiri bu ihe mbu na ndu onye nke kraist. Ije ozi onye nke kraist ga-acho ohere ka okwukwe na amamihe onye nke kraist nke na-etolite etolite tuo uto. (I Pita 2:2). A na m agba gi ume ka I ga n'ihu na inwe mmeko gi na nwata nke ka ghoro onye nke kraist. O ga-acho agbamu ume na amamihe gi oututu ugbo n'ato ndi garala aga. N'agbanyeghi na onweghi akuku akwukwo nso na-akwado ihe onyinye ma awucha mmiri. A na m agba gi ume iche ime ihe di mkpa ka inwe ike nuria (Luk 15:7). O nwere otu nari uzo e si akwalite onye nke kraist ohuru. Lekwa mkpirirsi ihe nwere ike inyere gi aka ibido.

1. New akwukwo maka iwu mmiri. Tikota ihe omumu gin a iwu mmiri ya. Tinye ihe onyonyo na mpe mpe akwukwo na ihe ederede sitere n'akwukwo nke ndi otu kraist ndi ozo. Nwata a odetuola ihe ndi o mutara n'oge a. I nwere ike I dote otu akwukwo n'azu, ka o new ike cheta ihe ndi omurula. Akwukwo a ga-enyere ya aka di ka oge na-agafe.

2. Che maka izuta otu ola di ka ubochi iwu mmiri ya na-eru.

3. Zigara ya ihe edere ede, mee ka o mata na I na-eche maka ya na ekpekwara ya ekpere ka o na-et eto n’ibu onye nke kraist nke Chineke choro ka o buuru.

4. Nye ya nwata akwukwo ma o bu akwukwo nso nke omumu ohuru. E nwere otutu akwukwo nso ndi mara mma, nwekwa otutu ihe omumu ndi ozo. Gbalia zuta udi ozo nke okwu bekee ya ga-adi mfe na nghota.

5. Nye ya onyinye asambodo ka onye ndi ulo ebe a na-ere akwukwo nke di nke kraist.

6. Ruche oru o bula I chere ga-akwalite otutu nke ime mmuo ya. I ga-acho ilegide anya n’isiokwu ndi ahu ga-ekwu maka ndu. I ga-acho ilegide anya n’isiokwu ndi ahu ga-ekwu maka ndu dika onye nke kraist ohuru.

7. Chota omumu akwukwo nso nke ahu na-amasi ya ka gin a ya muo. O nwere ike o nwela mmasi gin a ya imuko akwukwo nso wee cho ka unu gawa n’ihu.

8. Nyere ya aka ka ochota uzo ohuru iji sonye n’oru onyenwe anyi. Otutu ndi nke kraist a mughariri ozo na enwe onunu oku I mere onyenwe anyi ihe n’otu ntabi anya. I choro igba ya ume. Nyere ya aka ka chota onyinye ya n’aka onyenweanyi na otu o ga-eji ha ruo oru.

9. Mee ka o mata na I chetara ubochi a mughariri ya ozo. Zigara ya akwukwo ma o bu kporo ya puo maka iri nri ehihie n’ubochi mbu nke ncheta iwu mmiri ya. Gwa ya hoohaa otuto nke ime mmuo I hutarala n’ime ya okemgbe o mere baptizm.

A nam ekpe ekpere ka Chineke gozie gi di ka gin a ndi na-etolite etolite di oke mkpa na ndu gi na-amuko ihe. O buru na I ga-acho ihe Ngozi a an-ahu anya ka I ga-esi nyere nwata aka ka o buru onye odibo onyenweanyi ga na http://www.parentinglikehannah.com.